# EBE ỊCHỤÀJÀ NKE ỌLÀ AHỤ: ỊGỤ MMADỤ N'ONYE EZIOMUME

**Ọpupu 27:1-8; 38:1-7; 40:28-32; Levitikọs 6:1-7; 7:1-7**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 72 - Nke Ndị etiti**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ọ buru kwa na nwusi ọbara adigh mgbaghara nmehie adigh" (Ndi Hibru 9:22).**

### Ijéru Ụlọikwuu Ahụ

Ka anyị were onweanyị dịka ndị nọ n'ọzara Sainai, náaga dịka Ụmụ Israel iru Ụlọikwuu ahụ ịchụàjà banyere mmehie niile anyị. Alụwo Ụlọikwuu ahụ ná nleruanya dịka Chineke nyere Moses ndụmọdụ n'eluugwu ahụ; ma mgbe ndị nchụàjà naatụkwasị ihe ịchụàjà ahụ n'ebe ịchụàjà, ọkụ naesi n'Eluigwe n'ụzọ dị ebube mụnye n'elu ya. Ọkụ ahụ adịghị anyụanyụ.

Anyị ewee náaga n'iru náabà náapụta kwa n'ebe ụlọntù niile nke ndị Livai alụrụ gburugburu Ụlọikwuu nke dị n'etiti ọmụma ụlọikwuu. Anyị naerute site n'ọwụwaanyanwụ n'ihi na ọ bụ náání otù ọnụụzọ ka esi abànye n'ogige ahụ gbara Ụlọikwuu ahụ gburugburu. Ebe ọ bụla agaewu Ụlọikwuu ahụ nime ọzara mgbe Ụmụ Israel nọ ná nwagharị ha, ọnụụzọ ya naadị n'ọwụwaanyanwụ mgbe ọ bụla.

### Ogige Nke Ụlọikwuu Ahụ

Anyị naabànye n'ogige dị n'ezi nke Ụlọikwuu ahụ. Ijéozi niile nke ọra mmadụ bụ ihe anaeme n'ebe a. Ọ dịghị onyeọzọ pụrụ ịgafe ogige ahụ dị n'èzi ma ọ bụghị ndị nchụàjà. Tupu anyị ahụ́ ebe nchụàjà nke ọlà ahụ, alụrụ nkụkụ anọ ra nrata, nke mpi dị n'akụkụ ya ọ bụla. Ọlà pụtara ikpé; ebe ịchụàjà ahụ na arịa niile nke eji alụ ọlụ n'ebe ahụ bụ ihe ejiri ọlà mee.

Chineke naama mmehie ikpé, ma n'ụbọchị ikpé onye ọ bụla nke nwere mmehie ná ndụ ya gaanwụ ọnwụ nke abụọ ahụ. Chineke naachọ ka awụsị ọbara iji kpuchie mmehie niile nke mmadụ -- mmehie nke dị ntà maọbụ nke ukwuu. Mmehie ọ bụla nke bụ̀ imebiiwu ahụ, naanata amamikpé nke Chineke; ma onye ahụ náeme ya ka agaala n'iyi ma ọ bụrụ na ọ nataghị nzọpụta nke Chineke.

### Nwaatụrụ Ahụ Ihe Nnọchianya Anyị

Anyị ewetawo n'aka anyị nwaatụrụ zuruòkè, nwaatụrụ náenweghị ntụpọ iché dịka àjà ikpéọmụma n'iru Chineke n'ihi mmehie niile nke anyị. Ọ bụ àjà dị ndụ, nke náegosi na anyị onweanyị naenye Onyenweanyị onweanyị. Ụfọdụ mmadụ dara ogbenye nke ukwuu nke mere na ha apụghị iweta nwaatụrụ maọbụ ebulu, ma olileanya dịkwaara ha. Chineke arọpụtawo na ha nwere ike iweta nduru maọbụ kpalakwukwu abụọ. Ọ dịghị onye kwesirị ka egbochie ịgụ ya n'onye eziomume.

Anyị naeji nwaatụrụ anyị náabịa n'iru onyenchụàjà ahụ, o wee gwa anyị ihe anyị gaeme. Anyị naeleanya n'ebe nsọ ahụ ebe Chineke naebi; anyị ewee náechè échìchè, "Anam atụkwasị nmehiem nile na gị. Emehiewom. Ma o wuterem na emehiewom megide Chineke. Ekwesịrịm ịnwụ anwụ, ma Chineke asịwo na gị, nwa-atụrụ ntà, ị pụrụ ịnwu n'ọnọdụm." Lee otú ọ̄ñụ anyị ra na Chineke naekwere iwere nwaatụrụ ahụ dịka ihe ịnọchi anya anyị!

### Awụsị rị Ọbara Ahụ

Nwaatụrụ ntà ahụ náadịghịike anwụwo. Onye nchụàjà ewerewo nlezianya gbanye ọbara ya nime afere wee fesa ya n'ebe ịchụàjà ahụ. Anyị emewo ka onye nchụàjà ahụ, onye náanọchite Chineke, mara mmehie anyị; anyị esitewo ná mmehie niile anyị chègharịa wee weta ihe ịchụàjà ahụ iji kpuchie ha. Onye nchụàjà anarawo kwa ihe nnọchianya anyị ahụ, ewee gbue nwaatụrụ ahụ n'ọnọdụ anyị. Chineke wee hụ́ ọbara ahụ na okwukwe anyị o wee ju Ya afọ; n'ihi na site n'ilepụanya n'iru n'okwukwe ịhụ́ Jisọs Onye gaabịa wee nwụọ dịka Nwaatụrụ Chineke, ewee gbaghara anyị.

### Jisọs Bụ̀ Nwaatụrụ Anyị

Ugbu a ka anyị tule ihe anyị gaeme n'oge dị ugbu a, ka ewee zọpụta anyị. Chineke ka kpọkwara mmehie asì, wee ma onye ọ bụla nwere mmehie n'obi ya ikpé ọnwụ. Chineke dịnsọ, anyị apụghị ịbịakute Ya nso mgbe mmehie dị nime ndụ anyị. N'ikpuchi mmehie ahụ n'iru Chineke, anyị aghaghị iji ọbara ahụ kpuchie ya, n'ihi na "ọ buru kwa na nwusi ọbara adigh ngbaghara nmehie adigh" (Ndi Hibru 9:22).

Gịnị ka anyị gaeme? Chineke achọghị kwa ka anyị gbue nwaatụrụ ọzọ, n'ihi na ha bụ nnọọ ụdị Jisọs -- ma Jisọs abịawo. Gịnị ka Jisọs mere mgbe Ọ nọ n'ụwa iji nyere anyị aka? Ọ wụsịrị Ọbara Ya iji kpuchie mmehie niile anyị, dịka ụmụatụrụ ahụ nime Ụlọikwuu ahụ naegosi na Ọ gaeme kwa ya. Jisọs sịrị: "N'ihi na nka bu ọbaram nke ọgbugba-ndu, nke anāwusiri ọtutu madu ka ewe gbaghara nmehie" (Matiu 26:28). Obi ọ̀ dịghị atọ anyị ụtọ na anyị nwere olileanya site n'Ọbara nke Jisọs wụsịrị?

**Ahụhụ Niile Nke Kraist**

Anyị chetara otú nwaatụrụ ntà ahụ náadịghike ji hụọ ahụhụ wee nwụọ n'ihi mmehie nke ndị Israel, otù nwaatụrụ nye otù mmadụ; ma chee échìchè banyere otú Ọkpara Chineke dịnsọ si hụọ ahụhụ mgbe O ji Onweya chụọàjà dịka nwaatụrụ wee buru mmehie niile nke ụwa dum. "N'uzọ ra otú a Kraist, ebe echere Ya n'iru Chineke nánị otù mgbe iburu nmehie nile nke ọtutu madu" (Ndi Hibru 9:28). "Ayi nile kpafuru akpafu dika igwè-aturu; … ma JEHOVA emewo ka ajọ omume nke ayị nile dakwasi ya" (Aisaia 53:6). Chee uche banyere ahụhụ niile Jisọs hụrụ n'ogige ahụ tupu akpọgide Ya, mgbe Ọ ghọtara otú ibu ahụ si dị arọ; emesịa O wee nwụọọnwụ nke obi ntiwa, n'elu obe. Ma O kpebiri ịgabiga ihe mgbu ahụ dị ilu ka ewee zọpụta mụ na gị. Mgbe Jisọs kwụrụ óké ụgwọ dị otú a ịwụsara anyị Ọbara Ya, ọ̀ bụ na anyị agaghị eme ngwangwa ifesa ọbara ahụ n'obi anyị niile ka anyị wee nweta ọñụ nke mgbaghara Ya n'ebe mmehie anyị niile dị?

Ụfọdụ mmadụ adịghị agụ mmehie dịka ihe jọrọnjọ nke ukwuu. Ha chere na ha pụrụ ịbụ NdịKraist ma náebi kwa ndụ ha nime mmehie. Chineke hụrụ náánị otù Ọkpara Ya n'anya karịa otú anyị hụrụ ụmụ anyi n'anya, ma O nwere mmasị ịhụ na Onyenzọpụta ahụ hụrụ ahụhụ nke ọnwụ jọgburu onweya ibupụ mmehie anyị niile. N'oge hour ahụ n'elu obe mgbe Jisọs buru mmehie niile nke ụwa, Chineke wepụrụ iru Ya, n'ihi na Ọ kpọrọ mmehie asị. Ì chere na Chineke pụrụ ilegide mmehie nke dị ná ndụ mmadụ anya náamaghị ya ikpé ọnwụ?

**Jisọs Bụ̀ Onye Nchụàjà Anyị**

Enwere n'Ụlọikwuu ahụ ndị nchụàjà ndị náewere ụmụatụrụ ahụ na achụàjà. Ònye nyere Jisọs dịka ihe ịchụàjà? O nyere Onweya. Jisọs bụ̀ Nwaatụrụ ahụ, ma bụrụ kwa Onye nchụàjà. Ọ bụ kwa Onyeisi nchụàjà anyị, n'Eluigwe náegosi Nna Ya ọnyà niile ahụ nke gbara ọbara iji kpuchie mmehie niile anyị. "Kraist ayi hu-kwa-ra unu n'anya, rara kwa Onwe-ya nye n'ihi ayi dika ihe echere n'iru Chineke na àjà achuworo nye Ya ka ọ buru ìsìsì nke ihe ìsì utọ" (Ndi Efesọs 5:2).

**Jisọs Bụ̀ Ọnụụzọ Ahụ**

Anyị amụwo iheọ̀mụ̀mụ̀ na Ụlọikwuu ahụ na ihe niile metụtara ya bụ nnọọ onyinyo nke àtụ̀mààtụ̀ Chineke banyere nzọpụta anyị. Nááná otù ụzọ mbànye dị, ọnụụzọ ama ahụ dị n'ọwụwaanyawụ. Ị̀ hụwo nkọwa ahụ? Jisọs sịrị: "Mu onwem bu ọnu-uzọ ahu: ọ buru na onye ọ bula esi na Mu baa, agāzọputa ya" (Jọn 10:9). Ọ sịrị na onye ọ bụla nke náachọ isite n'ụzọ ọzọ ịbànye n'Eluigwe bụ onye ori na onye náapụnara mmadụ ihe. Anyị agaghị achọ ka Jisọs kpọ anyị onye ori, ya mere ka anyị bànye otú Okwu Ya jiri sị anyị bànye: "Ọ buru na ayị ekwuputa nmehie-ayi, Ọ bu Onye kwesiri ntukwasi-obi, buru kwa Onye ezi-omume, ka O we gbaghara ayi nmehie-ayi, sachapu kwa ayi ajọ-omume nile" (I Jọn 1:9). "Onye nēmebi iwu, ya rapu échìchè ya nile: ya laghachikute kwa JEHOVA, Ọ gēnwe kwa obi-ebere n'aru-ya; ya laghachikute kwa Chineke-ayi, n'ihi na Ọ gāgbaghara ya nmehie ya n'uba" (Aisaia 55:7).

**Ịgụ Mmadụ N'Onye Eziomume Site N'Ọbara Jisọs**

Ya mere anyị ahụwo na ọ karịrị nááná ikwere na Jisọs n'okpokoroisi n'ụbọchị taa. Anyị gaechègharị site ná mmehie anyị niile, gbakute kwa ha àzụ̀, rịọ Jisọs ka O were Ọbara Ya kpuchie ha, ma kwere na Ọ gbagharawo. Mgbe ahụ ka agaagụ̀ anyị ná ndị eziomume n'iru Chineke, ma "Mọ Nsọ onwe-ya soro mọ-ayi nāgba àmà, na ayi bu umu Chineke" (Ndi Rom 8:16). Anyị ewee gaa n'iru ná emehieghị kwa ọzọ.

Chineke ekwuwo na onye mmehie aghaghị ịnwụ, ma Jisọs gaekwuworị sị "Àpughm iwere ọnọdu ya?" Chineke hụrụ Ọkpara Ya n'anya, ma o wutere Ya ịhụ́ Ya ka Ọ naahụ́ ahụhụ; ma Chineke hụkwara mmadụ n'anya, ya mere Ọ gwara Jisọs na Ọ pụrụ ijé wee wụsa Ọbara Ya n'ihi anyị. Taa Jisọs naeguzo dịka Onyeisi Nchụàjà anyị n'iru Chineke, náegosi Ya Ọbara ahụ dị óké ọnụahịa iji chetara Onye ikpé ahụ na ákwụwo ụgwọ nke mgbapụta.

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Òlee otú onye Israel gaesi nata mgbaghara mmehie niile ya?
2. Gịnị bụ̀ ihe ịchụàjà nke o wetara?
3. Òlee ebe ihe ịchụàjà nke ọlà ahụ dị?
4. Gịnị ka anyị gaeme ka ewee zọpụta anyị?
5. Òlee otú anyị gaesi mata mgbe azọpụtara anyị?
6. Gịnị bụ̀ ọnụahịa nke mgbapụta anyị?